Ọrụ Ụmụ Ọkpụ N'ala Igbo

Onyegiri, Chikodi Dympna, PhD
Center for Igbo Studies, UNN

Na
Chineke, Stella Obioma, PhD
(Corresponding author)
Department of Arts Education, UNN
stella.chineke@unn.edu.ng

Ụmị

Ụmụ ọkpụ bụ otu jikọtara ụmụnwaanyị ndị a mụrụ n'otu ebe. Okwu ụmụ ọkpụ n'ala Igbo bụ iwu n'ihi na o nweghị onye na-ama ha aka n'ihu ma ọ bụ gbaghaa okwu ha. Onye ọ bụla mara ụmụ ọkpụ aka n'ihu site n'inupu isi n'ihe ha gwara ya ma ọ bụkwanụ kparịa ha n'ụzọ ọ bụla, ha na-emesi onye dị etu ahụ ike n'ụdị ọ ga-abụ ha mechaa onye dị etu ahụ ihe o kweta na mmiri ọkụ na-egbu mbe. Onye kparịrị otu nwa ọkpụ kparịrị ụmụ ọkpụ obodo niile, ya mere na egwu ọ bụla ha kụụrụ onye dị etu ahụ, ọ gbawa ya. Kaosiladị, ụfọdụ na-enwe mgbagwojuanya gbasara oke na ọrụ dịịrị ndị otu ụmụ ọkpụ. Ya mere o ji dị mkpa ime nchọcha a iji chọpụta ọrụ dị iche iche ụmụ ọkpụ na-arụ n'obodo dị iche iche n'ala Igbo. A họọrọ otu obodo na steeti nke ọ bụla, n'ime steeti ọkpụ Igbo ise ndị gụnyere: Ọhafia, Abatete, Abakaliki, Leja na Obodoukwu, wee mee nchọcha a. Nchọcha a bụ n'uche ịchọpụta ọrụ ụmụ ọkpụ n'ala Igbo. Iji mee ka mbunuche a pụta ihe, e ji usoro nchọcha sọvee mfe na atụtụ nrụmọrụ wee tụchaa ngwa nchọcha e nwetara. Nchọpụta nchọcha a gosiri na ụmụ ọkpụ na-arụ ọrụ dị iche iche a hụrụ anya n'ala Igbo dị ka ekpemikpe, ndụmọdụ, adọmaka na ntị, ikpe udo, mmekọrịta na ịdịnotu. Site n'ihe a chọpụtara, ndị nchọcha tụrụ aro ka e tinye anya na mmiri n'ala Igbo hụ ihe ndị adịchazighị etu ọ dị na mbụ na-enye aka na nkwalite omenala Igbo n'ọrụ ụmụ ọkpụ ka e weghachi ha azụ maka ọdị mma ndị Igbo.

Ọkpụrụkpụ okwu: Ala Igbo, Omenala, Ụmụ Ọkpụ, Otu Ụmụ Ọkpụ.

Mkpọlite

Ndị Igbo bụ agbụrụ e ji asụsụ Igbo mara ma bụrụkwa agbụrụ ọnụ ọgụgụ ndị mebere ya buru ibu. Ọfọmata (2012) kwuru na ndị Igbo bụ otu agbụrụ n'ime agbụrụ atọ kacha buo ibu ma n'ala Naijiriạ ma n'Afrịka. Ndị Igbo bi na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naijiriạ nke dị n'Ọdịda Anyanwụ Afrịka. Ha mejupụtara Steeti Abịa, Anambara, Ebọnyị, Enugwu na Imo, tinyekwara mpaghara ụfọdụ na Steeti Delta, Krọs-Riva, Rivas, Akwa Ịbọm na Edo, (Ekwealor, 1998). Nke a apụtaghị na ndị Igbo ebighị na mpaghara Naijiriạ ndị ọzọ. Ozioko (2016) kọwara na ndị Igbo bụ agbụrụ dị ukwu ma nwee ugwu na Naijiriạ n'ihi omenala na nkwenye ha.

Omenala metụtara ihe ndị na-eme na ihe e jiri mara ndị. Ọ bụ ihe a ndị na-eme ma ọ bụ e jiri mara ndị ka e ji ahụba ha ama ebe ọ bụla ha nọ ma ọ bụ a hụrụ ha. Schein (1990) na nkọwa ya kwuru na omenala bụ etu ndị si enwe ma ọ bụ nwee mmetụta banyere otu, ikikere keusoro na ogo ntinye onwe. Hornby, Turnbull, Lea, Parkinson, Philips, Francis, Webb, Bull, na Ashby (2010) kọwara omenala dị ka nkwenye, usoro obibi ndụ ma ọ bụ nke obodo kpọmkwem. Nke a gosiri na omenala bụ usoro ma ọ bụ ụzọ ndị kwekọrịtara ka ha si were na-ebi ndụ ha. Lebrón (2013) kwuru na nkọwa omenala bụ otu ihe gbara ọkpụrụkpụ adịkwaghị mfe ịkọwa. Ka o sila dị, nkọwa ọ bụla a na-enye maka omenala na-egosi na ọ bụ ụzọ e si ezipụta usoro ebim ndụ ndị mmadụ kwekọrịtara ma nabata n'ọgbọrọgbọdọ ha.

Omenala ndị e ji mara ndị Igbo dị ọtụtụ nke na o nweghị akwụkwọ a ga-edepụtacha ha niile dị ka Nzeakọ (1972) si kọwapụta. Ụfọdụ omenala ndị Igbo bụ ọmụgwọ, ịlu nwaanyị, ibi ugwu, ịwa ọjị, ịtụ nzu nakwa ewumewu dị iche iche. Otu ụdị ewumewu pụtara ihe na ndụ Ndị Igbo gbaa gburugburu bụ ewumewu ọchịchị obodo dị ka ezinaụlọ, ụmụnna, otu inyomdi, otu ọgbọ, otu nze na ọzọ nakwa otu ụmụ ọkpụ. Ma ọrụ nchọcha a nwere mmasị n'ileba anya n'otu ụmụ ọkpụ dị ka o si gbasata ọrụ ha n'ala Igbo.

Òtù ụmụ ọkpụ bụ otu e wubere n'akụkụ be nna nke nwata nwaanyị. Amaechi (2018) kọwara otu ụmụ ọkpụ dị ka otu na-arụ ọrụ dị nnukwu mkpa n'ala Igbo dị ka ichekwa udo na ikpe nkwụmọtọ, tinyere ịhụ na e doziri okwu ọ bụla welitere isi n'ala Igbo. Nke a gosiri na ọnọdụ ụmụ ọkpụ bụ ọnọdụ a na-enweghị ike ileghara anya. N'ọrụ nchọcha a, a hụtara ụmụ ọkpụ dị ka ụmụ nwaanyị si n'otu

agbụrụ pụta bụ ndị nke ọbara jikọtara ọnụ na-agba mbọ ịhụ na e nwere udo na ezi mmekọrịta n'etiti obodo ha niile. N'obodo dị iche iche dị n'ala Igbo, ihe gbasara ọrụ ụmụ ọkpụ na ụzọ ha na-agbaso were arụ ya bụ ọrụ n'obodo na-agbagwoju ụfọdụ mmadụ anya. Ọtụtụ oge, ụfọdụ ndị mmadụ anaghị ama na o nwere uru ụmụ nwaanyị bara n'ọchịchị obodo, tụmadị ụmụ nwaanyị ndị nọ n'òtù ụmụ ọkpụ. Ndị agba ọhụrụ na-eleda ha anya. Ọzọ, ndị gụrụ akwụkwọ, pụrụ ụzọ ije, na-akatọ otu ụmụ ọkpụ. Ugwoke (2006) rụtụrụ aka na e nwere ọtụtụ ọrụ ndị mmadụ na-ekwu na ụmụ ọkpụ na ụmụ nwaanyị na-arụ n'obodo mana ọrụ ndị a edochaghị anya. Ọ bụ ọnọdụ dị etu a kpalitere ndị nchọcha ileba anya n'isi okwu nchọcha a bụ ọrụ ụmụ ọkpụ n'ala Igbo.

Ajụjụ nchọcha: Gịnị bụ ọrụ ụmụ ọkpụ n'ala Igbo?

Ntulegharị Agụmagụ

Atụtụ Njirimee Nchọcha

Atụtụ oke ọrụ

Onye chepụtara atụtụ a bụ Ralph (1936). Atụtụ oke ọrụ na-enye aka n'ibipụta obere àgwà na omume, nke onye ọ bụla ga-eme ma ọ bụrụ na onye ahụ esonye na ngosipụta nke usoro e si eme ihe. Ọzọkwa, e nwere nkwekọrịta zuru oke n'etiti ndị ọka mmụta na ọhaneze n'ọrụ ndị mmadụ na-arụ, nke na ụfọdụ na-eme ka ọhaneze dịrị n'otu, ma na-akwalite usoro iwu na nkwụsị ike nke na-enye ndị mmadụ ohere ịdị n'otu. Atụtụ okeọrụ dị mkpa maka nghọta mmekọrịta ọhaneze. Dị ka Ralph si kwu, e nwere ike ịghọta ọkwa na ọrụ ndị mmadụ na-arụ n'ụzọ ọ bụla, nke nwere ike ịbụ ihe a na-emetụ aka na nke a naghị emetụ aka. Ọtụtụ ọrụ mmadụ na-arụ nwere usoro dị iche iche e ji were na-arụ ha. Abịa n'ihe gbasara ọtụtụ ọkwa dị iche iche, mmadụ nwere ọtụtụ ọrụ ọ na-arụ. Ọ bụ ọkwa mmadụ nọ na ya na-egosi ihe onye ahụ na-arụrụ ndị obodo na ihe ndị mmadụ na-atụ anya inweta na ya bụ ọkwa ọ nọ na ya. Atụtụ a bara uru na nchọcha a n'ihi na ọ ga-enye aka ime ka a mata ọrụ ụmụ ọkpụ na-arụ n'ala Igbo site n'ọkwa ha nọ na ya, nke bụ ọkwa ịbụ ụmụ ọkpụ.

Nchọcha E Merela N'isiokwu

Omeje (2001) mere nchọcha nke ebumnuche ya bụ ịchọpụta ma ụmụ ọkpụ enwere ọrụ pụtara ihe ha na-arụ n'ala Igbo, ndị a ga-eji tụnyere ụmụ nwoke. Ọ gbasoro usoro nkọwa, ma jiri njụmaza nweta ọsịsa nye ajụjụ nchọcha ya. Ọ chọpụtara na ọrụ ụmụ ọkpụ na-arụ n'ala Igbo karịrị akarị, nke ụfọdụ n'ime ha gụnyere: inyeaka

n'ọzụzụ ụmụaka enweghị nne na nna n'ụlọ akwụkwọ; inyeaka n'usoro ọchịchị ime obodo gbasara ụmụ nwaanyị; ịhazi usoro ekpemekpe ma mee ka a ghara imegide nkwenye onye ọ bụla nwere; ịkụzi aka ọrụ dị iche iche dị ka ịkwa ákwà, ịkpa isi, ịzụ ahịa, dgz. Nchọpụta ya gosipụtara na ụmụ ọkpụ na-arụ ezigbo ọrụ pụtara ihe n'ala Igbo dị ka ụmụ nwoke siri nwee. Nchọcha Omeje (2001) na nke a yiri n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka ụmụ ọkpụ ndị Igbo. Ndịiche dị na ha abụọ bụ na nchọcha e ji n'aka nwere atụtụ nchọcha ebe nke Omeje (2001) enweghị atụtụ ọ bụla.

Nmezi (2010) mere nchọcha banyere ụmụ ọkpụ n'oge Naijiria-Biafra lụrụ ọgụ. Mbumnuche nchọcha ya bụ ịchọpụta ma ụmụ ọkpụ e nwere ọrụ pụtara ihe ha rụrụ n'oge Naijiria-Biafra lụrụ ọgụ ma a tụnyere ha ụmụ nwoke. Ọ chọpụtara na ụmụ ọkpụ bụ otu ụmụ nwaanyị ọrụ ha pụtara ihe, mgbe a lụrụ ọgụ ahụ. Nmezi (2010) rụtụrụ aka na ọrụ kacha mkpa ụmụ ọkpụ rụrụ oge ahụ bụ Ahịa Ataak ha bagidere n'ime ya. Ihe ndị a ha zụrụ gụnyere: nnu, osikapa, anwụrụ, sịga, àgwà, ji, akpụ na ihe ndị ọzọ. Ihe ọzọ ụmụ ọkpụ mere bụ na ha nyere aka wee kpọkọlata ụmụagbọghọ ndị nna ha hapụrụ wee gawa ịlụ agha ka ha nọrọ ebe zoro ezo, ka ndị agha ghara ịkpọrọ ha mebie.

Ọrụ nchọcha Nmezi na nke a yiri n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka ọrụ ụmụ ọkpụ n'ala Igbo. Ndịiche ha bụ na nchọcha Nmezi (2010) bụ naanị ọrụ ụmụ ọkpụ n'oge a lụrụ agha Naijiria na Biafra ma ọrụ nchọcha e ji n'aka gbadoro ụkwụ n'ọrụ ụmụ ọkpụ n'ala Igbo. N'ime nchọcha ndị ahụ a rụtụrụ aka n'elu ebe a, o nweghị nke e merela n'ọrụ ụmụ ọkpụ na Steeti ọkpụ nke ala Igbo ise. Ọ bụ nke a mere ndịnchọcha ji mee nchọcha a na Steeti ndị ahụ.

Usoro Nchọcha

Ụdị nchọcha a gbasoro n'ọrụ a bụ sọvee nkọwa mfe. Ali (2006) kọwara sọvee nkọwa mfe dị ka nke na-amụ maka òtù ndị mmadụ ma ọ bụ ihe dị iche iche site n'iwekọta na inyocha usoro ntapịa njatule nke a ga-eji nọchie anya òtù ma ọ bụ ihe. E ji ya nyochaa ọrụ ụmụ ọkpụ n'ala Igbo n'ihi na aghanweghị ihe ọbụla na ntapịa njatule a nakọtara dị ka ọrụ ụmụ ọkpụ na-arụ n'ala Igbo.

Ebe e mere nchọcha bụ steeti ise ndị mejupụtara ala Igbo kpọmkwem ndị gụnyere: Abịa, Anambara, Ebọnyị, Enugwu na Imo. A họọrọ otu obodo na steeti ọ bụla iji

nọchie anya obodo ndị ọzọ mejupụtara steeti ndị a. Obodo ndị a họọrọ bụ Ọhafịa, Abatete, Abakaliki, Leeja na Obodoukwu.

Ndị e ji mee nchọcha a bụ mmadụ iri ise (50). E ji usoro tụmbọm-tụmbọm họpụta obodo ise ndị a, ma werekwa usoro tụmbọm-tụmbọm họrọ mmadụ iri ise ndị e jiri mee nchọcha. A họọrọ mmadụ iri n'obodo ọ bụla, bụ ndị gụnyere ndị okenye nwoke na nwaanyị. A họtara ụmụ nwaanyị iri abụọ na ise (25) na ụmụ nwoke iri abụọ na ise (25). Nke a bụ iji mata ma ọ bụ etu ụmụ nwoke si ahụta ọrụ ụmụ ọkpụ n'ala Igbo ka ụmụ nwaanyị si ahụta ya.

Ngwa nchọcha a bụ ajụjụ ọnụ ihu na ihu na njụmaza nke ndị nchọcha jiri aka ha wee mebe. Ndị nyere aka n'inyocha ngwa nchọcha a bụ otu onye Ọka nkuzi na Ngalaba Lingwistiiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ na ndị Ọkammụta abụọ na Ngalaba Edukeshọn, Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

A gbasoro usoro ajụjụ ọnụ, njụmaza na akwụkwọ ederede ndị metụtara isiokwu a were nweta ọsịsa nye ajụjụ nchọcha. Ajụjụ ọnụ bụ gbasara etu ndị ọzaa si hụta ọrụ ụmụ ọkpụ n'obodo ha dị iche iche. A gwakwara ha ka ha nye ọmụma atụ ọrụ ụmụ ọkpụ na-arụ n'obodo ha dị iche iche n'ala Igbo. E ji njụmaza chọpụta aha ha, ebe ha si, afọ ole ha dị na ihe ha na-arụ. E jikwa njụmaza chọpụta ma e nwere ụmụ ọkpụ n'obodo ha dị iche iche. E ji njụmaza n'otu aka ahụ chọpụta ihe mpaghara ala Igbo dị iche iche a gbara ajụjụ ọnụ na-akpọ ụmụ ọkpụ. Akwụkwọ ederede ka e ji chọpụta aha izugbe ụmụ ọkpụ n'ihi na ndị niile a gbara ajụjụ ọnụ na-akpọ ya dị ka o si dị na mpaghara nke ha. E sikwa n'akwụkwọ ederede chọpụtakwa ụfọdụ ọrụ ụmụ ọkpụ na-arụ na etu ndị odee dị iche iche si kọwa ụmụ ọkpụ.

Iji nwetachaa ihe ndị a chọrọ maka ọrụ nchọcha a, e ji mkpịsị odee, akwụkwọ e ji ede ihe na igwe rekọda wekọta ọsịsa ndị ọzaa. Nke a bụ iji nyere ndịnchọcha aka ka ha ghara ichefu ihe ndị dị mkpa ga-enyere ọrụ nchọcha a aka. A gbasoro usoro sọvee nkọwa mfe na atụtụ nrụmọrụ were tụchaa data e nwetara maka nchọcha a. Nke a bụ iji nweta ebumnuche nchọcha a nke ọma n'etinyeghị ma ọ bụ wepụ ihe ọ bụla dị ka o si metụta ọrụ ụmụ ọkpụ n'ala Igbo.

Nchọpụta

N'ebe a ka ndị nchọcha zipụtara ihe ha nwetara site n'azịza ndị e jiri mee nchọcha. Nchọpụta gosiri na e nwere ọrụ dị iche iche nke ụmụ ọkpụ ndị Igbo na-arụ n'ala Igbo. E nwere ike ikewa ọrụ ndị a ụzọ abụọ. Ha gụnyere: ọrụ nke mmụọ na ọrụ abụghị ọrụ nke mmụọ.

Ọrụ nke mmụọ ụmụ ọkpụ na-arụ

Oge ụfọdụ, ụmụ ọkpụ na-arụ ọrụ mmụọ, nke metụtara ịrụ ọrụ dị ka onye isi nchụ aja. Ịmaatụ, ọ bụrụ na ebiri ndụ na-aga n'ihu kwa ụbọchị, nsogbu dị iche iche na-adapụta oge ụfọdụ, dị ka ọnwụ ihe mberede, igbu ọchụ, mmadụ igbu nne ya, nwanne ịkwasa nwanne ya iko tinyere ọtụtụ arụ ndị ọzọ dị iche iche. Ọ bụ n'ụdị ọnọdụ dị etu a ka ndị ụmụ ọkpụ na-arụ ọrụ ka onye isi nchụ aja n'ụdị ịkpụ arụ, iji medaa mmụọ na-achị obodo ahụ obi n'ihi na ọ bụ mmụọ nke a maara dị ka Anị bụ mmụọ nke e mejọrọ. N'ịga n'ihu, Nwadịmkpa (2020) kọwara na ọ bụ ndị nọ n'okwu mmụọ ga-ekwupụta ihe ndị nke a ga-eji were chụọ ya bụ aja, ebe ndị ụmụ ọkpụ ga-abịazị merubezie ihe ndị dị n'ime mmemme ịkpụ ya bụ arụ. Nwadịmkpa (2020) kwuru na usoro a na-agbaso were na-eme nke a adịkwaghị iche nyere usoro a na-agbaso were na-eme ihe ịkpụ arụ ndị ọzọ n'obodo dị iche iche. Ya bụ na ndị ụmụ ọkpụ na-eme ihe ofufe iji medaa mmụọ ha na-efe obi mgbe ọ bụla obodo na-eme mmemme a. Ha na-anọ na ya agụrụ mmụọ obodo ha egwu otito n'ụbọchị niile, nke mere ka ụmụ ọkpụ bụrụ ndị nchekwa nke obodo ha.

Ọrụ abụghị nke mmụọ ụmụ ọkpụ na-arụ

Ọrụ ụmụ ọkpụ metụtara idozi esemokwu dị n'etiti ụmụ nwaanyị na ndị obodo, na ihe gbasara ala. Ha na-ahụkwa maka ọgụ dị n'etiti otu abụọ nwere esemokwu nakwa ụdị esemokwu ọzọ nwere ike ịdapụta. Nke a bụ nsogbu nke na-esite na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Nsogbu nke a nwere ike isite na nkwurịta okwu nke ga-apụta n'ụdị mkparị, ebe a na-akọ ọnụ n'ụdị dị iche iche. Nke a bụ ọnọdụ ndị nwunye a na-alụ alụ na-anọ were na-akọ onwe ha ọnụ n'ụdị dị iche iche. Ha na-eji okwu rụrụ arụ na-akọrịta onwe ha ọnụ. Ọ bụrụ na nke a na-eme tụmadị mgbe ọ bụ nwanyị a lụbatara kparịrị nne di ya, ụmụ ọkpụ ga-ada ya bụ nwaanyị nha pụtara nnukwu ọnụ oke ego nke bụ na ọ bụrụ na ọ kwụchaa ya bụ ụgwọ, ọ gaghị enwe ike hụ okenye kparịa ya. Nke a gosiri na a bịa n'ala Igbo, na a tụrụ anya na nwaanyị ọ bụla lụrụ di ga-asọpụrụ nne di ya nke ọma karịa ka ọ ga-enye nwoke na-alụ ya.

N'ịga n'ihu, ikpe gbasara akwụbaghị aka ọtọ n'ime alụm di na nwunye bụ ihe nke Odz. Ekemma (2020) kwuru na ndị otu ụmụ ọkpụ na-ahụkwa maka ya. Ọ bụ n'ọnọdụ a ka ndị ụmụ ọkpụ na-anọ were jụọ nwata nwanyị ajụjụ ọnụ n'ụdị ọ bụla ụdị nke bụ na njedebe ya, ha akaa ikpe ma kwupụta ihe nke a ga-eme gbasara ihe merenụ. Ọ bụrụ na ọ dara iwu, ọ ga-eje kpụọ arụ iji hichanata ajọ ihe o mere n'ihi na o mejọọla ala be di na-alụ ya. Mmemme a na-adị n'ụdị dị iche iche site n'obodo rue n'obodo. Ọrụ ndị ọzọ ụmụ ọkpụ na-arụ n'ala Igbo gbaa gburugburu gụnyere ndị a:

Ekpemikpe

Ụmụ ọkpụ na-ekpe ikpe ma ọ bụrụ na esemokwu adapụta n'ezinaụlọ, ogbe ma ọ bụ obodo. Ọ bụrụ na e nwee ọgbaghara ma ọ bụ esemokwu dị ka nchọcha a si chọpụta, ụmụ ọkpụ na-ekpe ikpe dị na ya ma ọ bụrụ na a kpọkuo ha. Ọ bụrụ na e nwee nsogbu ma ọ bụ ọgbaghara n'obodo, a na-ewere ikpe wegara ndị ọnụ na-eru n'okwu. Ọ bụrụ na ha kpee ya bụ ikpe ma onweghị isi, ndị otu ụmụ ọkpụ n'abịa tinye isi ha kama, ihe ahụ ga-eme, ya mee. Mgbe ọ bụla ha batara n'okwu n'obodo, ndị niile aka ha dị na ya bụ okwu na-agba mbọ ịhụ na ha mere ihe ha kwesịrị ka ha mee n'ihi na okwu ụmụ ọkpụ adighị ekwe okwukwu.

Dị ka Anaekwe, (2019) si kwu, ọ bụrụ na ndị ogbe ndị e nwere n'ime Abatete nke dị na steeti Anambara, e nwee nsogbu nke nwere ike ịbụ ikpe ala ma ọ bụ ikpe ọchụ n'ime Abatete, ọ bụ ndị otu ụmụ ọkpụ na-ahụ na e doziri ya nke ọma ma nye ezi ikpe nkwụmọtọ tọrọ atọ iji wee hụ na obodo na-aga n'ihu.

Ọzọ, Onyishi (2021) kwuru na a bịa na Leeja, na ụmụ ọkpụ ndị nke ha kpọrọ ụmụ ọkpụ ọha na-enye aka emezi esemokwu site n'ikpe ikpe n'ụzọ kwụọtọ nke ga-eweta udo, ezi mmekọrịta na agamnihu n'obodo. O kwuru na ha na-ahụ na esemokwu na ọgbaghara dị n'ezinaụlọ, ogbe ma ọ bụ obodo bụ nke e doziri nke ọma.

Iweta na ichekwa ịhụnanya

Ụmụ ọkpụ bụ ndị na-eweta ma na-echekwa ịhụnanya n'ezinaụlọ, ogbe na obodo. Nke a bụ n'ihi na ha anaghị achọ ihe emezighị emezi. Ọ na-amasịkwa ha ịhụ na be nna ha na-aga n'ihu ma ọ bụrụgodi na ha gara ije di n'obodo dị anya. Ọ na-amasị ha ma ọ bụrụ na ezinaụlọ, ogbe na obodo be ha na-ebi n'ịhụnanya. Ụmụ

ọkpụ dị ka (Kalu, 2021) si kọwa na-eweta ịhụnanya n'etiti nwanne na nwanne, ụmụ nne na ụmụ nne, ụmụ nna na ụmụ nna, ogbe na ogbe nakwa obodo na obodo.

N'okwu ya, Kalu (2021) kọwara na ụmụ ọkpụ Ọhafịa enyela aka n'ụzọ dị iche iche ịhụ na e nwere ezi ịhụnanya tọrọ atọ n'Ọhafịa. O kwuru na o nwere nne di na nwunye nwa amazighị etu a ga-etinye ọnụ n'okwu ha n'ihi na ha abụọ ejizighị anya ahụ onwe ha. Mana ka a nọkatara kpọbata ụmụ ọkpụ n'okwu ha abụọ, akụkọ ha malitere ịgbanwe, ha ebiwela n'ịhụnanya na-enweghị nsogbu ọ bụla. Ha abụọ na-ebi dị ka nne na nwa. Anakwaghị anụzị olu ha n'ama dị ka a na-anụ na mbụ. Ugbu a ịhụnanya dị n'agbata ha abụọ sozi na nke e ji ama atụ.

N'otu aka ahụ, Egwu (2019) kwuru na ụmụ ọkpụ Abakeleke gbalịrị iweta ịhụnanya tọrọ atọ n'agbata ụmụ nna abụọ bụ ndị na-enwe esemokwu gbasara oke ala. N'agbanyghị na ọ gaala ọtụtụ afọ esemokwu a malitere, ụmụ ọkpụ a lebachara anya n'okwu ma kpọrọ ndị okenye n'ụmụ nna abụọ ndị a gaa tugharịa oke ala. Ụmụ ọkpụ si etu a dozie ya bụ esemokwu.

Ime udo

Udo bụ ndụ. E legharịa anya n'ala Naịjirịa taa, a ga-ahụ na udo bụzị ihe mgbe ochie, nne na nwa nọ n'ọgbaghara, di na nwunye nọ n'ọgbaghara, enyi na enyi nọ n'ọgbaghara, nwanne na nwanne nọ n'ọgbaghara, obodo na obodo nọ n'ọgbaghara. N'ihi ya, obi mmapụ jupụtara ebe niile, obi eruzighị mmadụ ala, ụfọdụ ndị nwe obodo na-atụzị ụjọ itinye ego ha n'ihe ọ bụla a ga-arụpụta arụpụta dị ka ụlọ ahịa na ihe ndị e ji enyere ndụ aka ma ya fọkwa ndị mba ọzọ ịbịa rụọ ihe ọ bụla n'ala Naijirịa taa. Ụmụ ọkpụ ala Igbo bụ ọnọdụ dị etu a ka ha na-agba mbọ igbochi n'ala Igbo. Dị ka Anaekwe (2019) si kọwapụta, ụmụ ọkpụ ala Igbo na-ahụ na e nwere udo tọrọ atọ n'ala Igbo site n'ime ka udo dị n'obodo dị iche iche ebe ha si wee pụta. N'aka nke ya, Egwu (2019) kwuru na ụmụ ọkpụ na-enye aka eweghachite udo n'ezinaụlọ tisarala a na-amaghị na ha ga-emechaa n'elu ụwa nke a dịkwa n'udo ọzọ.

Nkụzi ezi mmekọrịta

Mmekọrịta mmadụ na ibe ya bụ otu ihe na-eweta udo ma na-eme ka obodo na-aga n'ihu. Ebe ọ bụla a na-enweghị ezi mmekọrịta, ọ na-ahịa ahụ inweta agamnihu. Ezi mmekọrịta na-enyekwa aka ime ka mmadụ na ibe ya na-akpakọrịta

nkata nke ga-eme ka ha na-agwakọrịta onwe ha ihe na-enye ha nsogbu. Ha na-atụkọrịta aro etu ha ga-esi gboo nsogbu ọ bụla dịịrị ha ma ọ bụ etu ha ga-esi wee mee ka ihe ọma bata n'ezinaụlọ, ogbe na obodo ha niile gbaa gburugburu. Otu ụmụ ọkpụ na-agba mbọ ịhụ na e nwere ezi mmekọrịta n'ezinaụlọ be nna ha, ogbe ha nakwa obodo be nna ha.

Ndị a gbara ajụjụọnụ gosipụtara nke a site n'ọmụma atụ ha nyegasịrị metụtara ezi mmekọrịta. Obi, (2019) gosipụtara nke a site n'ọmụma atụ o nyere banyere ọrụ ụmụ ọkpụ n'ijigide ezi mmekọrịta na be ha. O kwuru na ụmụ ọkpụ mapụtara iwu na-achị onye ọ bụla banyere ezi mmekọrịta nke onye ọ bụla dara ya nwere ntarama ahụhụ dịrị ya.

Eze (2019) n'aka nke ya gosipụtakwara ọnọdụ ụmụ ọkpụ n'ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya n'ala Igbo site n'ọmụma atụ o nyere. Site na nkọwa ya, Eze gosiri na ụmụ ọkpụ bụ ndị Chineke ji kwara ngwaọrụ n'ala Igbo n'ijigide ezi mmekọrịta.

Iweta ịdịnotu

Ịdịnotu so n'otu ihe obodo ji aga n'ihu. Obodo dị n'otu bụ obodo agamnihu, udo na mmepe anaghị akọ ụkọ na ya. Ịdịnotu na-eweta agamnihu n'obodo. Ịdịnotu naghị ekwe ka mmadụ na ibe ya nọrọ n'esemokwu. Akudo, (2019) kwuru na ụmụ ọkpụ na-agba mbọ ijigide ịdịnotu dị na be nna ha. O kwuru na ụmụ ọkpụ anaghị achọ ka ha were ntị nụ na be nna ha adịghị n'otu ma ọ bụ na o nwere onye ya na mmadụ ibe ya na-enwe esemokwu. N'ajụjụ ọnụ a gbara Obi (2019), ọ kọwara na ụmụ ọkpụ bụ otu na-agba mbọ ijigide na iweta ịdịnotu n'ezinaụlọ, ogbe nakwa obodo. N'ọmụmaatụ ya, o kwuru na ụmụ ọkpụ be ha gbara mbọ weta ịdinotu n'etiti ezinaụlọ abụọ nọrọla n'ọgbaghara ọtụtụ afọ

Iweta nsọpụrụ

Nsọpụrụ bụ otu ihe bara nnukwu uru n'ala Igbo. Onye ọ bụla nwere nsọpụrụ n'ala Igbo ka a na-ahụta dị ka nwa nne na nna ya zụrụ nke ọma. Ihe mbụ a na-akụziri nwata n'ala Igbo ma ọ na-etolite bụ etu e si asọpụrụ ndị okenye.

Ọ bụghị naanị ụmụ ntakịrị ka a na-akụziri ma na-abara mba mgbe ọ bụla ha mehiere ma ọ bụ ghara ịsọpụrụ onye ha kwesịrị ịsọpụrụ. N'ala Igbo, onye ọ bụla nwere nsọpụrụ e kwesịrị inye ya ma n'ezinaụlọ, ma n'ọgbakọ, ma n'ogbe, ma

n'obodo na ebe dị iche iche onye ahụ nwetara onwe ya. A na-asị na ọ bụrụ na okenye zọọ nri, ụmụ ntakịrị etiwaa ọ̀kụ̀. Nke a bụ ilu ndị Igbo ji akwado na onye ọ bụla bụ nwa amala Igbo kwesịrị inwe nsọpụrụ nyere onwe ya ma kwanyekwara onwe ya ugwu n'ihi na onye ọ bụla nke na-kwanyeghiri onwe ya ugwu na-akpọku mkparị.

Ndị Igbo na-agba mbọ ịhụ na e nyere onye ọ bụla nsọpurụ ruru ya n'ọnọdụ ọ bụla. Ha achọghị ka nwata kparịa okenye, ma ọ bụ ka okenye kparịa nwata, ma ọ bụkwanụ ka okenye kparịa okenye ibe ya n'agbanyeghị ihe ọ sọrọ ya bụrụ. Ọwụshị, (2019) kọwara na ọ bụ n'ihi nke a ka ụmụ ọkpụ ala Igbo ji agbasi mbọ ike ịhụ na o nweghị onye kparịrị mmadụ ibe ya n'ụdị ọ bụla. Ha kwenyere na ọ bụrụgodi na mmadụ emee mmadụ ibe ya ihe ọjọọ ma ọ bụ kpaso ya agwa adịghị ya mma, na ọ ka mma ikpe onye dị etu a karịa ịkparị ya ọkachasị n'ọgbọ. Ha kwenyekwara na mmadụ ọ bụla kwesịkwara ịsọpụrụ mmadụ ibe ya n'agbanyeghị ónyé ònyè ahụ bụ, ya bụ ma ọ bụ nwata ma ọ bụ okenye.

Onye ọzọ nyere ọmụma atụ banyere ụmụ ọkpụ ijigide nsọpụrụ na ndụ nwa amala Igbo bụ Ọzọ (2019). O kwuru na ụmụ ọkpụ bụ ngwa ọrụ nsọpụrụ n'ezinaụlọ, ogbe nakwa obodo dị iche iche e nwere n'ala Igbo. Okeke (2019) kwuru na ụmụ ọkpụ ewerela ụzọ dị iche iche jidesie nsọpụrụ ike n'ala Igbo. O kwuru na ha mapụtara iwu dị iche iche banyere ihe a ga-eme nwata kparịri okenye, okenye kparịrị nwata n'ụzọ ekwesịghị ekwesị ma ọ bụkwanụ okenye kparịrị okenye ibe ya. Ọrụ ụmụ ọkpụ n'itinye na ijigide nsọpụrụ n'ime mmadụ were anya site na nkọwa ndị a gbara ajụjụ ọnụ nyere.

Izi enyemaka

Enyemaka so n'ihe na-eme na mmadụ na-adị ndụ ma na-emekwa ka mmadụ dị ezigbo ndụ. Nke a dị ire n'ihi na mgbe onye enweghị onye na-enyere ya aka hụrụ onye ga-enyere ya aka, ndụ ya nke o chere na ọ gwụla ga-etowanye ogologo. Ụmụ ọkpụ bụ otu ndị a mara n'ala Igbo na-anaghị eji anya ahụ ebe mmadụ nọ na mmegbu ma ọ bụ ebe mmadụ na-akwa arịrị n'ihi enweghị onye ga-enyere ya aka n'ọnọdụ ya. Nke a ka e gosipụtara n'ọmụma atụ dị iche iche ndị mmadụ nyere mgbe a gbara ha ajụjụọnụ.

Nwankwo (2019) kọwara na ụmụ ọkpụ bụ ndị na-agba mbọ nke ọma n'inyere mmadụ aka ọkachasị onye a na-ele anya dị ka onye enweghịzị olileanya. Ugwu (2020) kwuru na ụmụ ọkpụ na-arụ ọrụ enyemaka n'ebe nwata nne ya na nna ya nwụrụ n'oge nọ, ha anaghị ekwe ka emegbuo nwata dị etu a. Na nkọwa nke ya, Okaro (2019) kwuru na ụmụ ọkpụ bụ ndị eji eje mba n'ihe banyere inyere mmadụ aka. O kwuru na ụmụ ọkpụ bụ ndị anaghị achọ iji ntị nụ mmegbu ma ọ bụ na e nwere onye ha kwesịrị inyere aka a ahapụ inyere onye ahụ aka. Dị ka Okaro (2019) si kọwapụta, "ụmụ ọkpụ bụ nne, ọ dịkwa mkpa ịmata na ndị nne kacha anụ akwa ụmụ ha karịa ndị nna. Ọ dịkwa mkpa ịmata na ndị nne na-etinyekarị anya na mmiri achọpụta ihe na-eme n'ezinaụlọ karịa ndị nna. N'ezie ụmụ ọkpụ bụ ndị Chukwu ji kwara ngwa ọrụ n'ime ka onye chere na nke ya agwụla nwetakwa ndụ ọzọ. Ha na-echeta onye ọ dị ka e chefuru ma mee ka onye ahụ mara na o nwere ndị kwụ ya n'azụ.

Olili ozu

A na-eli onye nwụrụ anwụ n'ala Igbo, anaghị ahapụ ya ka ọ nọrọ n'ụlọ siwe isi ma ọ bụ jee tufuo ya n'ọhịa maka na ndị Igbo kwuru okwu sị na ihe ọma a ga-emere onye nwụrụ anwụ bụ ka e lie ya. A bịa n'ala Igbo, e nwere usoro e ji eli ozu na mpaghara ala Igbo niile gbaa gburugburu. Ụmụ nna nwere ọrụ ha na-arụ n'olili ozu, ụmụ okorobịa nwere ọrụ ha na-arụ dị ka igwu ili, ebe ụmụ ọkpụ nwekwara ọrụ nke ha. Ekeọma (2021) kwuru na ụmụ ọkpụ nwere ọrụ pụrụ iche ha na-arụ n'olili ozu. Ụmụ ọkpụ na-eleta ozu onye tozuru etozu n'ala Igbo. O kwuru na onye tozuru etozu abụghị onye nwere ego ma ọ bụ onye aha ya kacha ada ụda n'obodo. Onye tozuru etozu bụ onye lụrụla nwaanyị ma ọ bụ nwaanyị lụrụla di n'ihi na onye ọ bụla lụrụla nwaanyị eruola ihe e ji nwoke eme ebe onye ọ bụla lụrụla di bụzị nwa ọkpụ tozuru etozu.

N'okwu ya, Akudo (2019) kwuru na ileta ozu a kacha pụta ihe na mgbe ochie n'ihi na mgbe ahụ enwebeghị ụlọ nchekwa ozu, ma ugbu a ndị mmadụ na-ebukarịzị ozu etinye n'ụlọ nchekwa ozu, ọrụ a ụmu ọkpụ na-arụ daa mba. O kwuru na oge mbụ na ụmụ ọkpụ na-eletagide ozu chi efoo tupu e buru ozu ahụ ga lie. Oke (2021) kwuru na ụmụ ọkpụ ga na-agụ, na-eti, ma na-agbakwa egwu mgbe ọ bụla ha na-eleta ozu. Na nkọwa ya, ọrụ ụmụ ọkpụ a ka dịkwa ire ugbu a n'ihi na ha ka na-eleta ozu onye ọ bụla etinyeghị n'ụlọ nchekwa ozu. N'okwu Ugwu (2020), o kọwara na ọ bụrụgodi na e tinyere ozu onye tozurula ileta n'ụlọ nchekwa ozu, na

ụmụ ọkpụ na-ejekwa eleta ya n'abalị a na-amụrụ ya anya abalị ma ọ bụrụ na ndị nwe onye dị etu a sị ụmụ ọkpụ lọta ihe a kpọrọ 'uru ọnwụ'. O kwuru na ọ bụ n'oge a ka ha ga-anọkwa mee ihe niile ha ga-eme ma ọ bụrụ na ozu onye ahụ dị, ya bụ na o jeghị n'ụlọ nchekwa ozu. Na nkọwa ya, o kwuru na ụmụ ọkpụ ga-agụ, tie ma gbaa egwu n'abalị ahụ. Chukwu (2019) kwuru na ụmụ ọkpụ na-agba mbọ gbasie ya ike hụ na ha mere ihe niile ha kwesịrị ime n'olili ozu iji kwanyere nwanne ha nwụrụ anwụ ugwu ikpeazụ.

Adọmaka na ntị

Ụmụ ọkpụ achọghị ihere n'ụdị ọ bụla, ya mere ha na-akpọ ya mkpa ịdọ onwe ha, ụmụ ha na ndị nwunye ha, aka na ntị ka ha ghara imenyere ha ihere n'ụdị ọ bụla n'ihi na onye ọ bụla menyere ha ihere ga-anata ntarama ahụhụ. Ụmụ ọkpụ si ụzọ dị iche iche adọ ndị mmadụ aka na ntị dị ka e si hụta na nkọwa ndị mmadụ bụ ndị a gbara ajụjụọnụ. N'aziza Mz. Nwankwọ (2019), ụmụ ọkpụ were ike isi n'ụzọ ida nha ma ọ bụ imesi mmadụ ike dọọ onye ahụ aka na ntị oge ọ na-eme ihe nwere ike ibutere ya na ikwu na ibe ya ihere.

Akudo (2019) kwuru na ụmụ ọkpụ na-adọ ma nwoke ma nwaanyị, ma nnukwu ma obere, ma okenye ma nwata aka na ntị n'ụzọ dị iche iche. Ọzọ dị ka ibe ya bụ nkọwa ajụjụ ọnụ Okeke (2019) bụ onye kwuru na ụmụ ọkpụ dị nnukwu mkpa n'ihe gbasara ịdọ mmadụ aka na ntị. O kwuru na o nwee nwoke na-emegbu nwunye ya ma ọ bụ na-eti nwunye ya ihe, ụmụ ọkpụ na-abata n'okwu ahụ ma ọ bụrụ na a kpọkuo ha. Ha na-esi n'ụzọ dị iche iche adọ nwoke dị etu a aka na ntị. Ha nwere ike ịbara ya mba ma nye ya iwu, ha nwekwara ike ịda ya nha ma ọ bụ tie nwoke ahụ ihe ma ọ karịa. Na nkwenye, Okaro (2020) kwukwara na ụmụ ọkpụ na-eti nwoke ọ bụla na-eti nwunye ya ihe ihe ma ọ bụrụ na onye dị etu a ajụ na ya agaghị akwụsị iti nwunye ya ihe ma ọ bụrụ na a rịọ ya kwụsị.

Site n'ọmụma atụ ndị a, o gosiri na ụmụ ọkpụ anaghị ele mmadụ anya n'ihu ma ha chọọ ịdọ onye ahụ aka na ntị, ọkachasị onye mekarala ha ahụ. O dokwara ha anya etu e si adọ mmadụ aka na ntị ma mee onye ahụ ka o mee ma ọ bụ mewe ihe ha sịrị ya mee ma ọ bụ ihe ha chọrọ ka o mee.

Mmechi

Ụmụ ọkpụ bụ otu e nwere n'ala Igbo ndị Igbo ejighị egwu egwu n'ihi ọrụ dị iche iche ha na-arụ n'ala Igbo. Okwu ụmụ ọkpụ n'ala Igbo bụ iwu n'ihi na o nweghị onye na-ama ha aka n'ihu ma ọ bụ gbaghaa okwu ha. Onye kparịrị otu nwa ọkpụ kparịrị ụmụ ọkpụ obodo niile, ya mere na egwu ọ bụla ha kụụrụ onye dị etu ahụ, ọ gbawa ya.

Ụmụ ọkpụ ejighị be nna ha egwu egwu n'ihi na ọ bụ ebe ahụ ka ha nwere ọnụ okwu. Ha enwechaghị ọnụ okwu na be di ha, ya bụ ebe ha gara ije di ya mere ha ji ejikwa be nna ha ejikwasi ya ike ka ihe ọ bụla ghara ime be nna ha. Ha anaghị ekwe ka ụmụ nwaanyị ndị bịara ije di na be nna ha tisaara ha be nna ha. N'otu aka ahụ, ha anakwaghị ekwe ka ụmụ nne ha mebiere ha be ha. Ahụhụ ha tara onye ukwu maka agwa ọjọọ ya ka ha na-ata onye nta. N'ebe ụmụ ọkpụ ala Igbo nọ, e nweghị onye ukwu na onye nta, mmadụ niile ha. Ha na-egosipụta nke a mgbe ọ bụla ha biliri íkpe ikpe ma ọ bụ inye onye ọ bụla mehiere ntaramahụhụ dịịrị njọ ya. Ha na-enyekwa ụmụ nne ha nkwado pụrụ iche mgbe ọ bụla ha chọro ya ma ọ bụkwanụ mgbe ọ bụla ha bịakwutere ha maka nkwado. Ha na-enyekwa nwanne ha nwoke ọ bụla kwadoro ịlụ nwaanyị nkwado pụrụ iche iji gosi ya na ha bụ ụmụ ọkpụ kwụ ya n'azụ. Ụmụ ọkpụ ala Igbo na-agba mbọ na-agbasi ike ịhụ na be nna ha dị mma ma bụrụkwa ihe e ji ama atụ.

Ntụnye aro

1. Ọ dị mkpa itinye anya na mmiri n'ala Igbo hụ ihe ndị adịchazighị etu ọ dị na mbụ na-enye aka na nkwalite omenala Igbo n'ọrụ ụmụ ọkpụ ka e weghachi ha azụ maka ọdị mma ndị Igbo.

Nrụaka

Ali, A. (2006). *Conducting research in education and the social sciences*. Enugu: Tashiwa Networks.

Amaechi, L. (2018). The use of masquerade cult and umu-ada fraternity (Igbo daughters) for peace and conflict resolution in Eastern Nigeria (Igbo Land). *American International Journal of Social Science,* 7(2), 83-91.

Ekwealor, C.C. (1998). *Omenala na ewumewu Igbo.* Onitsha: Africana First Publishers PLC.

Hornby, A. S., Turnbull, J., Lea, D., Parkinson, D., Philips, P., Francis, B., Webb, S., Bull, V. & Ashby M. (Eds.) (2010). *Oxford advanced learner's dictionary (8th ed.)*. Oxford: Oxford University Press.

Lebrón, A. (2013). What is culture? *Merit Research Journals*, 1(6), 126-132.

Nmezi, S. (2010). Igbo women's experience of violence during the Biafra-Nigerian war. In C. J. Kovie & I. Ezeonu (Eds.), *Remembering Biafra narrative. History and memory of the Nigeria-Biafra war*. 212. Glassboro, NJ: Goldline & Jacobs Publishers.

Nzeakọ, J. (1972*). Omenala ndị Igbo.* Ikeja: Longman Nigeria.

Ọfọmata, C.E. (2012). *Omenaala na ọdịnaala ndị Igbo.* Enugu: Format Publishers (Nig) Ltd.

Okoro, K. N. (2013a). African concept of Inochi. A new paradigm for peace education in the contemporary society. *Modern Social ScienceJournal,* 3(2), 87-112.

Omeje, S. O. (2001). The role of daughters/ụmụada: A case study of Igboland in Eastern Nigeria. B. A. project, Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Ozioko, C. J. (2016). Ịgụ afọ n'ala Igbo. B. A. Project Submitted to the Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Ralph, L. (1936). Memorandum for the study of acculturation. American anthropology. Retrieved from *https://web.stanford.edu/mapadilla/Padilla perez03a.pdf*.Accessed on 13th August, 2019.

Schein, E. H. (1990). Organizational culture. *American Psychologist*, 45, 109-119.

Ugwoke, N. C. (2006). Women and politics in Lejja: The example of ụmụada oha 1970-1999. B.A. project, University of Nigeria, Nsukka.

Mgbakwụnye

Praịmarị Sọọs 2019, 2020, 2021

Ọ/Ọ	**Aha**	**Steeti**	**Obodo**	**Afọ**	**Ọrụ**	**Deeti ajụjụọnụ**
1.	Mz. Phillip Anaekwe	Anambara	Abatete	80	Ọrụ ugbo	10/10/19

2.	Mz. Okwundu Okaro	Anambara	Abatete	75	Ahịa	14/01/20
3.	Mz. Vincent Okonkwo	Anambara	Abatete	79	Ezumike nka ọrụ Bekee	11/10/19
4.	Odz. Grace Obi	Anambara	Abatete	59	Azumahịa	11/10/19
5.	Ekemma Ubanwa	Anambara	Abatete	82	Ọrụ ugbo	8/8/20
6.	Odz. Adaobi Okeke	Anambara	Abatete	64	Azumahịa	13/10/19
7.	Mz. NnamdiKalụ	Abịa	Ohafia	65	Ọrụ bekee	9/2/21
8.	Mz. Ọzọ Eke	Abịa	Ohafia	70	Ọrụ ugbo	15/01/21
9.	Ork. Azụka Ekere	Abịa	Ohafia	69	Ọrụ ugbo	19/10/19
10.	Odz. Ngozi Akudo	Abịa	Ohafia	55	Azumahịa	20/10/19
11.	Odz. Kalụ Kalu	Abịa	Ohafia	85	Azumahịa	20/10/19
12.	Odz. IjeọmaChukwu	Abịa	Ohafia	70	Ọrụ bekee	21/10/19
13.	Mz. Umali Obe	Ebọnyị	Abakaliki	68	Ọrụ ugbo	22/10/20
14.	Odz. Adaeze Egwu	Ebọnyị	Abakaliki	58	Azumahịa	22/10/19
15.	Mz. Chika Ọgba	Ebọnyị	Abakaliki	77	Ọrụ ugbo	23/10/19

16.	Ork. Udoka Ọgba	Ebọnyị	Abakaliki	58	Ọrụ ugbo	23/10/19
17.	Odz. Adaeze Eze	Ebọnyị	Abakaliki	48	Ọrụ bekee	24/10/19
18.	Mz. LivinusOke	Ebọnyị	Abakaliki	57	Ọrụ bekee	24/10/19
19.	Mz. John Onyishi	Enugwu	Leeja	77	Ọrụ ugbo	26/10/21
20.	Odz. Nwaka Agbo	Enugwu	Leeja	64	Azumahịa	26/10/19
21.	Mz. Ugwuanyị Ọwụshị	Enugwu	Leeja	69	Azumahịa	28/10/20
22.	Ork. Cecilia Ugwu	Enugwu	Lejja	72	Ọrụ ugbo	29/10/20
23.	Mz. Onyema Okey	Enugwu	Lejja	67	Ọrụ bekee	29/10/19
24.	Odz. Ngọzị Agbo	Enugwu	Lejja	55	Azumahịa	01/11/19
25.	Mz. Obinna Obi	Imo	Obodoukwu	60	Azumahịa	7/11/19
26.	Ork. Okorie Uzoaka	Imo	Obodoukwu	59	Ọrụ ugbo	7/11/19
27.	Odz. Ukwuọma Eze	Imo	Obodoukwu	63	Ọrụ bekee	9/11/19
28.	Mz. Ụzọ Amaechi	Imo	Obodoukwu	70	Ọrụ aka	10/11/19
29.	Mz. Uzo Nwankwọ	Imo	Obodoukwu	81	Ọrụ ugbo	10/11/19

30.	Ork. Leweụwa Usọ	Imo	Obodoukwu	79	Azumahịa	12/11/19
31	Odz. Obianuju Aroh	Anambara	Abatete	60	Bekee	08/01/2020
32	Odz. Nwadimkpa Ofor	Anambara	Abatete	70	Azụmahia	10/1/2020
33	Mz. Obinna Okafor	Anambara	Abatete	70	Ọrụ ugbo	10/01/2020
34	Odz Joy Ilo	Anambara	Abatete	57	Bekee	12/01/2020
35	Odz. Grace Uzoegbu	Abia	Ohafia	62	Oru ugbo	14/01/2020
36	Odz. Charity Uzo	Abia	Ohafia	74	Ezumike	14/01/2020
37	Mz. Ozo Ekeh	Abia	Ohafia	60	Bekee	16/01/2020
38	Mz. Anthony Aluu	Abia	Ohafia	80	Ezumike	20/01/2020
39.	Odz. Ebere Ogba	Ebonyi	Abakaliki	56	Bekee	20/01/2020
40.	Mz. ObinnaUmahi	Ebonyi	Abakaliki	68	Azumahia	22/01/2020
41.	Mz. John Ofor	Ebonyi	Abakaliki	62	Azumahia	23/01/2020
42	Mz. James Ohi	Ebonyi	Abakaliki	70	Ọrụ ugbo	23/01/2020
43.	Odz. Nkechi Asogwa	Enugwu	Lejja	62	Bekee	24/01/2020

44.	Odz Nneoma Ogbu	Enugwu	Lejja	58	Bekee	26/01/2020
45.	Odz Adaobi Ugwu	Enugwu	Lejja	60	Azumahia	27/01/2020
46.	Mz. Cyril Ezeugwu	Enugwu	Lejja	60	Ọrụ Ugbo	8/02/2021
47.	Odz Chika Ekeoma	Imo	Obodoukwu	55	Bekee	8/02/2021
48.	Odz. Ebere Uche	Imo	Obodoukwu	64	Bekee	9/02/2021
49.	Mz. Ibe Enyinnaya	Imo	Obodoukwu	70	Azumahia	9/02/2021
50	Odz. Ekemma Agbo	Imo	Obodoukwu	68	Ọrụ ugbo	10/02/2021